



Mitochondrial Eve
***Journal of Humanities Post Graduate Studies Imo State University, Owerri, Nigeria.***
***Vol. 1 No. 3 September, 2024***
***https://mejhpgs.online***

# Nchọcha Ka Ndị Igbo Si Esi N'omenala Ngụmaha Akụzi Nsiniwu Na Mbamuru

[1] Mba-John, Chinyere Nwanne
[2] Egesi, Gloria Chinonye
[3] Elevochi Onyinyechi

**Ụmịedemede**

Nsiniwu na mbamuru bụ ihe ezumezu obodo ọ bụla na-agba mbọ ime ka ụmụ amaala obodo ha mara, mụta ma debe. Ndị Igbo dịka otu agbụrụ ukwu nọ na Naịjịrịa nwere omenala dị iche iche nke ngụmaha bụ otu n'ime ha. Nsogbu nchọcha a bụ na akparamagwa na omume ọtụtụ mmadụ taa n'ala Igbo bụ nke juputara na mpụ na ọchụ dị iche iche nke na-eziputa na ndị mmadụ ka nwere nsọpụrụ n'ebe ego na akụnaụba dị karịa ezi aha. Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'iwepụta aha ndị ahụ ndị Igbo na-agụ ụmụ ha iji kuziere ha nsiniwu na mbamuru. Elebaghariri anya n'ihe ndị e derela banyere ngụmaha nakwa nsiniwu na mbamuru, ebe e jiri atụtụ nchọcha ndịnọrụ mee nchọcha. Uru nchọcha a bara bụ na ọ ga-enyere ụmụ akwụkwọ na ọha mmadụ ndị ọzọ aka ịmata na aha ọbula e nyere mmadụ nwere ebe ohiwere isi. Ọ ga-enyekwara ụmụ akwụkwọ aka ime nnyocha maka aha n'ọdịnihu. Ndịnchọcha nwere ndị ha gbara ajụjụ ọnụ iji nweta aha dị iche iche na mpụtara ha. N'ikpeazụ, e wepụtara aha dị iche iche ndị ahụ ndị Igbo ji akụzi nsiniwu na mbamuru, ebe ntụpụta aro na nchịkọta mechiri ya.

**Okwu ndị gbara ọkpụrụkpụ:** Nsiniwu, Mbamuru, Omenala, Ngụmaha, Akparamagwa

## 1.1. Ntọala nchọcha

ndị Igbo, dịka otu agbụrụ ukwu dị na Naịjịrịa, nwere omenala ha. Omenala bụ ihe obodo na-eme kwa mgbe kwa mgbe. Eyo (1995:30) kọwara omenala dị ka usoro akparamagwa na echiche nke si n'aka fere aka n'enweghị nkwụsị. Otu n'ime omenala ndị Igbo bụ ngụmaha. Aha dị ka ihe kachasị ewu ewu dị ka nsịrịpụrụ nke mkpụrụ okwu bụ ihe e ji akọwapụta kpọmkwem mmadụ, anụmanụ, ebe na ihe nkiti. Ọgbalụ (2006:47) kọwara na ọ bụ

ụbọchị ahụ a na-apụta n'ọmụgwọ ka a na-agụ nwa aha. Ọ bụ nne ochie nwa ahụ bụ onye mbụ ga-enye nwa o lere ọmụgwọ aha. Mgbe o nyechara ya aha, nna nwa ahụ na-agụkwa ya aha sọrọ ya. Ụfọdụ na-agụ nwa ha aha site n'ihe mere ha. O were anya na ndị Igbo na-agba mbọ inye mmadụ aha dị ka ụbọchị a mụrụ onye ahụ si dị. Iji maa atụ̀, ọ bụrụ onye a mụrụ n'ụbọchị Eke, Orie, Afọma maọbụ Nkwọ, ọ na-enweta aha ụbọchị dị ka Nweke, Nworie, Mgbeke na Mgbafọ dg. Ụfọdụ na-enwetakwa aha dị ka ihe mere ma ọ bụ gbara gburugburu gbasara usoro ọmụmụ onye ahụ. Iji maa atụ̀, onye a mụrụ oge iri ji nwere ike ịza Njọkụ. Ọtụtụ mgbe, onye nne na nna ya chọrọ nwa tutu a mụọ ya nwere ike ịza Mgbechikwere, Ogechi, Iheukwumere, Iheanachọ na aha ndị ọzọ yiri ha.

N'ịga n'ihu, Ukaegbu, Udechukwu na Ozurumba (2010) kọwara nsiniwu ka nkwenye ihe ndị ahụ na-adịgide dị mkpa anyị chepụtara ma kwekọrịtakwa na ha bụ ihe ndị dị mma ma ọ bụ njọ, a nabatara ma ọ bụ a kpọrọ asị n'obodo. Ha gakwara n'ihu ịkọwa na nsiniwu bụ ezi ụma nke gbadoro ụkwụ na nkwenye ndị ahụ na-atụziri anyị aka ma mee kwa ka a gbanwe ma chịkọtakwa akparamagwa, nhọrọ na mkpebi dị mma na ndụ anyị nakwa dị ka obodo siri nabata ha. E nwekwara ike ịhụ ya ka ụkpụrụ iwu na nchepụta e jisiriike dị ka ihe ndị dị mkpa, kwesịrị ekwesị ma nwekwa ezigbo mmetụtan'ebe anyị nọ. Mkpa (1993:529) kwuru na nsiniwu ga-abụrịrị ma ọ bụ ga-arụtụrịrị aka, n’echiche, eziụma, ụkpụrụ, nchepụta, nkwenyena ogo akparamagwa obodo na-ejidesi ike dị ka ihe dị mkpa na ndụ, nke a na-aghaghị ịnabata ma kesakwa n'obodo. Ọ gara n'ihu ikwu na ọ ga-abụrịr ịihe mmadụ niile nabatara dị ka akara ogo akparamagwa.

N'aka nke ọzọ, Evans (2018) kwuru na mbamuru bụ àgwà nke ogo a nabatara nke ndị nọ n'ogbe na-ekekọrịta okè n'ime. Mbamuru nwere ike ịbụ ihe edeturu edetu ma ọ bụkwa agaghị edetuya. Mbamuru na-agbanwe site n'otu omenala gaa n'omenala ọzọma ọ bụkwanụ site n'otu ogbe gaa n'ogbe ọzọ.

Nsiniwu na mbamuru yiri n'ihi na ha abụọ na-ekwu banyere akparamagwa ndị a nabatara ma ọ bụ akpọrọ asị dị ka otu onye ma ọ bụ obodo siri kwenye n’omenala ha.

## 1.2 Nsogbunchọcha

N'ala Igbo niile taa, a na-ahụta na ndị mmadụ na-akpa agwa ma na-emekwa omume nke na-adakọtaghị na nkwenye nke ndị nna anyị ha. I tulee ihe na-eme n'ala Igbo ugbua ị ga-ahụ na ndị mmadụ tụmadị ndị ntorọbịa na-enwe nsọpụrụ n'ebe ego na akụnaụba dị karịa ezi aha. Nke a na-emegide otu n'ime nkwenye ndị Igbo na ezi aha ka mma karịa ego ma ọ bụ akụnaụba. Ụfọdụ ihe ndị kpatara nke a bụ mmetụta ọjọọ nke echiche ụwa ọgbara ọhụrụ nwere n'ebe omenala anyị dị. N'oge ugbua ndị mmadụ na-enwe mmasị ime mpụ na ihe ọjọọ dị iche iche n'ihi ego ma ọ bụ akụnaụba na-atuleghị aha ọjọọ ihe ndị a nwere ike ibutere ha na ezinụlọ ha. Echiche dị otua mere ka mpụ na ihe ọjọọ ndị gụnyere ntụrụ mmadụ, igbu ọchụ, iji mmadụ gwọọ ọgwụ ego, mpụ ule, mpụ ndọrọndọrọ ọchịchị na ire otu dị barị n'ala Igbo taa. Ihe ọzọ mere ka ọnọdụ a na-adịwanye njọ bụ enweghị mmasị ndị mmadụ n'oge ugbua igbaso ụkpụrụ ọma nke omenala obodo ha nke ga-enyere ha aka ibi ezi ndụ. Ọtụtụ ndị ntorọbịa na-eche na aha ụfọdụ ndị nne na nna ha gụrụ ha erijughị afọ n'ihe a chọrọ ugbua. Ọtụtụ n'ime ha na-eji aka ha gụgharịa onwe ha aha ndị ọcha ebe ha na-etufu aha Igbo ha n'ebe ikpofu ahịhịa. Ọnọdụ a adabaghị adaba n'ihe atụrụ anya maka mwulite omenala na mmepe obodo. Iji gbanwee ọnọdụ a, e kwesiri ituteghar̄ị echiche ndị ntorọbịa site n'ikụziri ha ma mee ka ha mata ọtụtụ uru dị n'omenala anyị dị iche iche. Ọ bụ ya mere ka ndị nchọcha jiri bagide nchọcha a bụ "ka ndi Igbo si esi n'omenala ngụmaha akụzi nsiniwu na mbamuru" dị ka nke dabara adaba na ntuteghar̄ị mmasị ndị ntorọbịa n'ebe omenala Igbo dị.

### 1.3 Ebumnuche nchọcha

Ebumnuche nchọcha a bụ ituteghar̄ị usoro echiche na ụzọ ahụm ihe ndị mmadụ tụmadị ndị ntorọbịa n'ebe aha Igbo e nyere ha dị. A na-atụ anya na ndị mmadụ ga-esite na nchọcha a mụta ma nabatakwa nsiniwu na mbamuru dị iche iche n'ala Igbo site na ngụmaha.

### 1.4 Atụtụ nchọcha

Nchọcha a gbasoro usoro atụtụ ndịnọrụ. Atụtụ ndịnọrụ bụ igodo atụtụ nke nkwekọrịta. Ọ na-eme ka a ghọta uru na nkekọrịta okè dị na nsiniwu na mbamuru nke obodo na-esite na ya a ga n'ihu. Ọ bụ atụtụ ụkpụrụ e kwenyere nwere ike ime ka mmadụ kpazie àgwà. Atụtụ ndịnọrụ bụ nke Durkheim (1895), bụ onye mba

France, rọpụtara. Ndị ọzọ tụnyere okè ha n'iwulite atụtụ nchọcha a bụ Parsons (1975) na Merton (1968). Atụtụ a na-ekwu banyere etu ndị nọ n'obodo ga-esi jikọọ aka mee ka e nwee ezi mmekọrịta n'ime onwe ha.

N'akụkụ ọzọ, atụtụ ndịnọrụ kwenyere na edemede na-arụ ezigbo ọrụ n'iweta mgbanwe n'obodo. Finnegan (1976) kwuru na ọrụ edemede nwere ike igosipụta ihe ndị obodo jiri hiwe isi. Ndị tụpụtara atụtụ ndịnọrụ kwenyere na omenala ọ bụla nke na-enweghị uru ọ bara n'obodo a naghị adịgide. N'atụtụ ndịnọrụ, a na-eleba anya otu ezinụlọ, ụlọakwụkwọ, agụmakwụkwọ, akụnaụba, iwu na okpukperechi si enye aka eme ka obodo na-aga n'ihu. Ihe a na-atụ anya n'aka onye ji atụtụ ndịnọrụ atụcha edemede bụ na ọ ga-eleba anya uru ihe a na-ede baara n'obodo.

### 1.5 Ajụjụ nchọcha

N'inwetazu ebumnuche e jiri bagide nchọcha a, ndị nchọcha kpachapụrụ anya tulee ma họpụta ajụjụ abụọ ndị a atụrụ anya na ọsịsa ha ga ga-enye aka ebe ọ dị ukwu inweta ihe atụrụ n'ahịa banyere nchọcha a. Ajụjụ ndị a bụ:

i. Kedụ aha dị iche iche ndị Igbo na-agụ ụmụ ha iji kụzie nsiniwu na mbamuru n'ala Igbo?

ii. Gịnị bụ mpụtara aha ndị a nakwa ebe ha hiwere isi?

## 2.0 Ntulegharị nchọcha ndị e merela n'isiokwu

E meela ọtụtụ nchọcha banyere akụkụ dị iche iche nke omenala Igbo. Otu akụkụ omenala ndị Igbo nke e merela nchọcha pụtara ihe bụ ngụmaha. Ụfọdụ ndị merela nchọcha banyere aha gụnyere Emenanjọ (1977), onye ọrụ ya gbadoro ụkwụ na ndịmara n'aha anụmanụ n'ime akụkọ arọmarọ ndị Igbo. Ụbahakwe (1981a) e meela nchọcha banyere ọdịdị na mpụtara dị iche iche nke aha ndị Igbo, ebe Ụbahakwe (1981b) na-ekwu maka ihe ndị dị n'omenala nke ọtụtụ aha Igbo na-akọwa. Iwundu (2000) e meela nchọcha banyere usoro nchepụta echiche ndị Igbo site na ngụmaha. Nwagbara (2009) n'akụkụ nke ya e meela nchọcha banyere ọbụbụ mmadụ nke aha onye dị ka ụzọ igosipụta ọdịdị mmadụ. Nwagbara chịkọtara nchọcha ya site n'ikwu na aha onye na-ezipụta mpụtara nsina dị iche iche na ọdịdị ihe ngosi dị iche iche nke mere ka

e kwue na ha na-ezi ozi banyere ọdịdị mmadụ onye ahụ. Anyachebelu (2015) na nchọcha ya lebara anya n'aha Igbo ndị metụtara ịbụ di ma ọ bụ nwunye ma chịkọta na aha Igbo ịbụ di ma ọ bụ nwunye bụ akụkụ ihe nketa omenala ndị Igbo nke na-arụ ọrụ ime ka ọdịnala na omenala ndị Igbo na-aga n'ihu. O kwuru na e kwesiri ituteghari ma jisiekwa ya ike. N'aka nke ọzọ, nchọcha Onyekwere na Nnabuihe (2015) lebara anya n'aha ndị Igbo na mpụtara ha dị iche iche site n'ilekwasị anya na ntọala ọdịdị ha.

## 2.1 Nkọwa okwu ndị dị mkpa na nchọcha a

Ukegbu, Meziobi, Abdullahina Adebayo(2010) kwuru na nsiniwu ga-abụrịrị ma ọ bụ ga-arụtụrịrị aka echiche, ụkpụrụ iwu ndị dị mkpa, kwesị ekwesị ma nweekwa ezigbo mmetụ n'ebe anyị nọ. Ha sịrị na nsiniwu na-emetụta ihe ndị anyị nwere ike ịhụ n'anya ma ọ bụ kpọọ asị; ihe ndị ahụ anyị na-ahụ n'anya gụnyere nsọpụrụ ndị okenye, ndị nọ n'ọkwa ọchịchị ndebe iwu, ịbịa ihe n'oge, ịgachi ụlọ akwụkwọ anya, izi ịdị mkpa n'ebe agụmakwụkwọ na kwa ọrụ anyị dị. N'aka nke ọzọ, ihe ndị a na-akpọ asị gụnyere ịlụ ọgụ, ịba n'otu nzuzo, ejikeghị nke ọma, ịgha ụgha, ịkpa asịrị, ime enyi ọjọọ, ime nrụrụaka, akpaghị ego n'ụzọ ziri ezi, ime mpụ ule, izu ohi, ntụrụ mmadụ, aghụghọ nke nkanufere na ndị ọzọ.

Nsiniwu nwere ike ịdabere n'ihe mmadụ chọrọ; mmadụ ọ bụla nwere ihe o weere ka nsiniwu nke ya. N'ịgan'ihu, ọtụtụ ihe na-eme ka mmadụ nwee ihe ndị o weere ka nsiniwu ya, ndị gụnyere ihe gbasara omenala, mmụta, okpukperechi na ndị ọzọ. Ihe ndị a nwere ike ime ka mmadụ nwee ihe ndị o kpebiri,kwere dị ka nsiniwu ya.

Evans (2018) kọwara mbamuru dị ka ntọala nkwenye ndị ahụ na-atụzịrị mmadụ aka omume. A naghị akụzi mbamuru dị ka e si akụzị nsiniwu. Ọ bụ site n'ilereanya nakwa nnwapụta ihe ka e ji amụ ya. Ọmụmaatụ mbamuru gụnyere ikpuchi ọnụ gị na imi gị oge ị na-ezì ndụ, ịna mmadụ aka mgbe ị hụrụ ya, ịsị mmadụ ndo mgbe I mejọrọ ihe, ijere okenye ozi ma ị mara onye ọ bụ ma ọ bụ ị maghị onye ọ bụ.

Evans (2018) kọwara na ụdịrị nsiniwu dị iche iche e nwere gụnyere ndị a:

**Nsiniwu nkwe:**Ụdị a bụ ụdị nsiniwu ndị dị mma, ndị a na-achọsiike ma kwesikwa ekwesị dị ka mmadụ irubere ndị ọchịchị

isi, ịrụsi ọrụ ike, ikwesi ntụkwasị obi, iweda onwe n'ala, ịdị uchu n'ọrụ na ndị ọzọ.

**Nsiniwu njụ:** Ụdị a bụ ụdị nsiniwu ndị dị njọ, ndị a na-anabataghị, ndị a na-achọghị na ndị na-ekwesịghị ekwesị. Obodo na-agbarụ ihu maka ha dị ka enweghị ekele, ịtụ asị, enweghị afọ ojuju, izu ohi, njike na-adịghị mma, mpụ na arụrụala, iri ngo na ndị ọzọ.

**Nsiniwu mmụọ:** Ụdị a bụ ụdị na-egosipụta mmekọrịta mmadụ nwere n'etiti ya na onye kere mmadụ. Ọmụmaatụ ya gụnyere okwukwe, nkwenye, ụkpụrụ okpukperechi.

**Nsiniwu ọchịchọ mmadụ**: Ụdị a bụ ụdị nsiniwu metụtara ntọala ọchịchọ mmadụ, nke gụnyere ụlọ, nri na akwa. Ihe ndị a ka mmadụ chọrọ maka ịpụ ndụ.

**Nsiniwu nke onwe:** Ụdị a bụ nsiniwu nke ihe nwere n'ime onwe ya. Ha bụ nsiniwu nke mmadụ ọ bụla nọ n'ime obodo nwere na-atụzịrị ya aka. Ha bụ mbamuru ndị dị n'ime mmadụ, echiche na ihe ndị dị mma ezinụlọ, ụlọakwụkwọ, okpukperechi dị iche iche na-ewepụta ohere mee ka ọ baa ndị mmadụ n'ime n'otu n'otu. Amụmamụ mmụta bụ otu n'ime ezigbo ọmụmaatụ nsiniwu nke onwe.

**Nsiniwu nke dị n'ụsọ:** Ụdị a bụ ụdị nsiniwu nke nwere ụkpụrụ pụrụ iche ma ọ bụ atụmatụ nke a na-esite na ha emepụta mbunuche. Ọmụmaatụ gụnyere akparamagwa na njirimara onwe.

## 3.0 Usoro nchọcha

Nchọcha a bụ nke gbadoro ụkwụ n'ịchọputa aha Igbo e sitere na ha na-akụzi nsiniwu na mbamuru n'ala Igbo. Ụdi nchọcha e mere bụ nke nkọwasị na nkọwami. Ebe nchọcha a were ọnọdụ bụ Steeti ise ala Igbo dị na mpaghara ọwụwa anyanwụ nke Naijiria. Steeti ise ndị a gụnyere Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugwu na Imo. A họrọ ndị okenye atọ site na steeti ọbụla nke nyere ndị okenye iri na ise ma agụkọọ ha ọnụ. Aha ndị okenye ndị a ajụrụ ajụjụ ọnụ gụnyere:

Abịa Steeti:Maazị Peter Ndụagụibe, Maazị John Ezindụ na Maazị Hyacinth Anyaegbu

Anambra Steeti:Maazị Philip Mmadụkakụ, Maazị Edward Iheọnụnaekwu na Maazị Jeremiah Ndụbụeze.

Ebonyi Steeti: Maazị James Ụgwọ, Maazị Justice Ụwaezuoke na Maazị Joseph Onyegbula.

Enugwu Steeti:Maazị Ajụzie Akụọma, Maazị Cosmos Ndụbụisi na Maazị Nkume Obidịmma.

Imo Steeti: Maazi Ụzọdịmma Isiguzo, Maazị Melford Ndụfọrọm na Maazị Nwataomeole Iwuala.

Ndị nchọcha nwetara ngwa nchọcha ha site n'akwụkwọ sitere n'ọba akwụkwọ nke ha tulegharịrị ihe ndị e derela banyere isiokwu nchọcha a. Ha nwetakwara ngwa nchọcha site n'ịgba ndị okenye si n'obodo dị iche iche nke ala Igbo ajụjụ ọnụ banyere aha dị iche iche ndị obodo ha na-aza ndị na-akụzi nsiniwu na mbamuru nakwa mpụtara ha. Ndị nchọcha gara n'ihu ịhazi aha ndị a dị ka o metụtara ụdịrị nsiniwu dị iche iche a kpọtụrụ aha na nchọcha a.

## 4.0 Ntụcha data

Site n'ajụjụ ọnụ ha gbara ndị okenye si n'obodo dị iche iche nke ala Igbo, ndi nchọcha chọpụtagasịrị aha dị iche iche ndị Igbo na-aza nke e sitere na ha akụzi nsiniwu na mbamuru n'ala Igbo. Site na nkọwa ndị okenye ndị a, e nwetakwara nkọwa na mpụtara aha ndị a na ebe ha hiwere isi.

### 4.1 Nkọwa aha na nsiripuru ya dịka osiri metụta nsiniwu na mbamuru

**Adịndụ** (Let me first be alive)**:** Nke a pụtara na ọ bụ a pụọ ndụ achọwazie ihe a ga-eri, ṅụọ ma ọ bụ rụọ ụlọ.

**Agwabụmma** (Character is beauty)**:** Aha nke a na-akụziri ndị mmadụ na àgwà ọma ka mma na ndụ mmadụ karịa ihe ọzọ ọ bụla onye ahụ nwere ike ịnwe.

**Akụọma** (Good wealth)**:** Ọ pụtara na mmadụ kwesiri ịkpata akụ n'ụzọ ziri ezi.

**Anyaegbu** (Eyes cannot kill)**:** Ọ pụtara na anya e lere ele enweghị ike igbu mmadụ.

**Arụgbulam** (Do not cheat me)**:** Nke a bụ aha a na-agụ̀ iji rịọ ma mmadụ ma mmụọ ka ha ghara imegbu onye a gụrụ aha ahụ.

**Asịfọrọ** (Do not gossip much)**:** Nke a bụ iji dọọ mmadụ aka na nti ka ọ kwufọtụ ụfọdụ ihe karịa ikwuru ihe niile na-aga. Ya bụ, ka onye ahụ kwaa ire ya nga.

**Egbuchulam** (Do not kill me prematurely)**:** A na-agụ̀ aha nke a iji gwa mmadụ ma ọ bụ mmụọ ka ọ ghara igbu mmadụ ahụ e nyere aha ahụ, ya bụ, ka ọ

hapụ onye ahụ ruo mgbe ọ ga-anwụ ọnwụ chi ya.

**Egbuta (**Let's kill one another**):** Nke a pụtara ndị mmadụ igburịta onwe ha.

**Ekpereamaka:** Aha nke a na-akụzi na mmadụ kwesiri ị na-ekpe ekpere nye chi ya ka o nyere ya aka n'ụwa.

**Ekpereamakarịsịa (**Prayer is the best**):** Nke a pụtara na ọ kachasị mma mmadụ ị na-ekpe ekpere nye chi ya ka o nyere ya aka n'ụwa.

**Ekwutọsị (**Stop gossiping**):** Aha nke a na-adụ mmadụ ọdụ ka o mechilatatụ ọnụ ikwutọ mmadụ ibe ya.

**Eziaha (**Good name (is better than wealth)**):** Nke a bụ aha ndị Igbo na-agụ̀ ụmụ ha iji gosipụta na ọ ka mma mmadụ inwe ezi aha (ya bụ ezi omume) karịa ego.

**Ezindụ(**Good life**):** Nke a bụ nke a na-agụ̀ iji gwa mmadụ na ọ kwesiri ibi ndụ dị mma dị ka akpaghị àgwà ọjọọ n'ime ndụ ya.

**Eziokwu (**Truth**):** Mpụtara aha nke a bụ na ịkwu eziokwu ka mma karịa ikwu okwu ụgha.

**Iheọnụnaekwu (**What the mouth says**):** Ọ pụtara na ọ dịghị ihe ọnụ mmadụ na-enweghị ike ikwu.

**Isiguzo (**Let the head stand**):** Aha nke a pụtara na mmadụ kwesiri ịnọ ndụ karịa ịnwụ anwụ.

**Iwu (law):** Nke a pụtara na ọ bụghị ihe niile ka mmadụ nwere ike ime. Ya bụ, e nwere ụkpụrụ ma ọ bụ iwu a na-agbaso eme ihe.

**Iwuala( law of the land):** Ọ pụtara na ala ma ọ bụ obodo nwere ihe ndị ọ nabatara nakwa ihe ndị ọ na-nabataghị ma ọ bụ ọ na-asọnsọ.

**Iwuọzọ (**Law of titled men**):** Ọ pụtara na echimechi ọzọ nwere iwu na-achị ya.

**Merengwa (**Be fast**):** Nke a pụtara na mmadụ kwesiri ị na-eme ihe n'oge karịa mgbe oge gara ma ọ bụ mgbe chi jiri.

**Mmadụkaakụ (**Human being is more valuable than wealth**):** Ọ pụtara na ndụ mmadụ karịrị ego ma ọ bụ akụ.

**Nchedo (**What we hope on or bank on**):** A na-agụ̀ aha nke a iji gwa mmadụ ma ọ bụ ihe kere ụwa ka o nye mmadụ mkpuchite pụọ n'ihe ọjọọ, ihe na-egbu ma ọ bụ emerụ mmadụ ahụ.

**Ndidi (**Patience**):** Aha a na-akụziri mmadụ ka o nwe ndidi ma ọ bụ ntachiobi na ọnọdụ ọjọọ ga-emecha dịgharịa.

**Ndụagụibe (**A life that doesn't consider others**):** Aha nke a pụtara na ụfọdụ mmadụ na-eche na ndụ nke ha ka mma ma ọ bụ ka mkpa karịa ndụ ndị ọzọ. N'ihi ya, ha na-ewere ndụ ndị ọzọ ka ihe na-adịghị mkpa.

**Ndụbụeze (**Life is the king/ life is supreme**):** O nwere otu mpụtara dị ka Ndụbụisi

**Ndụbụisi (**Life first**):** Ọ pụtara na ndụ bụ isi ihe niile, yab ụ, ọ bụ a dị ndụ e nweta ihe ndị ọzọ.

**Ndụdịrịm (**Let me be alive**):** Ọ pụtara na ọ bụ mgbe ndụ dịrị mmadụ ka ọ na-enwe olileanya inweta ihe ndị ọzọ.

**Ndụfọrọm (**Let my life remain**):** Ọ pụtarana onye dị ndụ nwere olileanya.

**Ndụkaakụ (**Life is more precious than wealth**):** A na-agụ̀ aha nke a iji kuziere ndị mmadụ na ndụ karịrị akụ n'ihi na ọ bụ onye dị ndụ ya akpata akụ.

**Ndụkaụba (**Life is more precious than riches**):** Nke a nwekwara otu mpụtara ka Ndụkaakụ.

**Nkasiobi (**Comfort**):** Aha a na-akụziri mmadụ ka o nwee agbamume.

**Nwakaego (**Child is greater than money**):** Aha nke a pụtara na nwa ka mkpa karịa ego.

**Nwataomeole (**What did the child do?**):**Mpụtara aha nke a bụ ajụjụ a na-ajụ ndị mmadụ ihe mere ha a gaghị ahapụ mmadụ ibe ha aka.

**Nyesọm (**What did the child do**):** Nke a bụ aha onye nwere anyaukwu na ndụ ya n'ihi na ọ chọrọ ka ọ bụrụ naanị ya ga-enwe ihe ka ndị ọzọ hapụ inwe.

**Obidime (**The heart / mind is pregnant or ulterior **):** Aha nke a na-akọwa na uche bụ akpa, onye ọ bụla nya nke ya.

**Obidịmma (**Good heart or kind heart**):** Ọ pụtara na mmadụ kwesiri inwe obi ọma n'ebe mmadụ ibe ya nọ.

**Odomegbulam (**Let the favour I did to people not kill me **):** Aha nke a bụ arịrịọ ka ihe ọma mmadụ mere ghara igbu ya.

**Okwukwe (**Faith**):** Aha nke a na-akụziri mmadụ na okwesiri inwe okwukwe n'ihe ọ bụla ọ na-eme na ndụ n'ihi na ndị Igbo kwenyesiri ike na otu ụbọchị ọ dịkata njọ, ya adịkwa mma. Ọ bụ okwukwe ga-eme

ka onye ahụ nọrọ ndụ rue mgbe ọnọdụ ọjọọ ahụ ga-agbanwe.

**Okwukwemdị (**My faith stands**):** Ọ pụtara na mmadụ kwesiri ịnọgidesi ike n'ihe o kwere ma ọ bụ o nwere olileanya ya.

**Onyegbula (**Nobody should kill his fellow**):** Aha nke a na-adụ mmadụ ọdụ ka ọ ghara igbu mmadụ ibe ya.

**Onyegbulam (**Nobody should kill me**):** Nke a nwekwara otu mpụtara ahụ dị ka Egbuchulam.

**Onyekaozuru (**Who has it all**):** Aha nke a nwere otu mpụtara ya na Ụwaezuoke.

**Ọchọudo** (Peace seeker**):** Aha nke a pụtara na ndị mmadụ kwesiri ịnọ ma ọ bụ ibi n'udo.

**Ọfọegbulam (**Let my belief not kill me**):** Ọ na-akọwa na atụmatụ ọjọọ a tụrụ n'elu isi mmadụ ka ọ ghara ire, ma ọ bụ ịrịọ ka ihe mmadụ ṅụrụ iyi ya ghara igbu ya.

**Ọgadịmma** (It shall be well**):** E ji ya a gwa mmadụ ka o nwee olileanya na ọ ga-emecha dịrị ya mma na ndụ ya.

**Ọlụa** (Fighter**):** Nke a pụtara na o nwere ndị mmadụ ndị nwere ihe ha na ha na-alụ ọgụ ma ọ bụ na-agba mgba n'ime ndụ ha.

**Ọnọniwu (**It is in the law**):** Aha nke a pụtara na ụfọdụ ihe bụ ihe nwere iwu na-achị ya. Ya bụ, e nwere ihe ụfọdụ iwu machibidoro.

**Udo (**Peace**):** Aha nke a na-akụziri mmadụ na o kwesiri ya na mmadụ ibe ya nọrọ n'udo.

**Udoamaka:** Aha nke a na-akọwa na udo mara mma ma bụrụkwa ihe a na-achọsi ike.

**Udodịrịm:** Site n'aha nke a, mmadụ na-asị na ya chọrọ udo na ndụ ya, ya achọghị ọgụ ma ọ bụ esemokwu.

**Udokamma (**Peace is very desirable**):** Nke a bụ aha a na-agụ̀ iji kuziere ndị mmadụ na udo ka mma karịa ọgụ. Ya bụ, mmadụ na ibe ya kwesiri ịnọ n'udo karịa ịnọ n'iro.

**Ùgwùmba (**Respect/Dignity of a kindred**):** Nke a pụtara nsọpụrụ ma ọ bụ nkwanye ugwu a na-enye mba ma ọ bụ obodo n'ihi omume ọma ha.

**Ùgwùnna (**Father's respect or honour or dignity**):** Aha a pụtara na nna kwesiri ka a sọpụrụ ya ma ọ bụ kwanyere ya ùgwù ruuru ya.

**Ụgwọ (**Debt undermines friendship**)**: Nke a pụtara na mmadụ ịgbazinata ma ọ bụ ịnara mmadụ ibe ya ihe n'enyeghachighị ya ihe ahụ na-ebute esemokwu ma ọ bụ iro n'etiti mmadụ na ibe ya.

**Ụwaezuoke (**No one has it all**):** Aha nke a na-akụziri mmadụ na ọ dịghị onye nwezuru ihe niile n'ụwa.

| AHA | MPỤTARA HA N'ASỤSỤ BEKEE |
|---|---|
| Adịndụ | Let me first be alive |
| Agwabụmma | Character is beauty |
| Akụọma | Good wealth |
| Anyaegbu | Eyes cannot kill |
| Arụgbulam | Do not cheat me |
| Asịfọrọ | Do not gossip much |
| Egbuchulam | Do not kill me prematurely |
| Egbuta | Kill one another |
| Ekpereamakarịsịa | Prayer is the best |
| Ekwutọsị | Stop gossiping |
| Eziaha | Good name (is better than wealth) |
| Ezindụ | Good life |
| Eziokwu | Truth |
| Iheọnụnaekwu | What the mouth says |
| Isiguzo | Let the head stand |
| Iwu | Law |
| Iwuala | Law of the land |
| Iwuọzọ | Law of titled men |
| Merengwa | Be fast |
| Nchedo | What we hope on or bank on |
| Ndidi | Patience |

| | |
|---|---|
| Ndụagụibe | A life that doesn't consider others |
| Ndụbụeze | Life is the king/ life is supreme |
| Ndụbụisi | Life first |
| Ndụdịrịm | Let me be alive |
| Ndụfọrọm | Let my life remain |
| Ndụkaakụ | Life is more precious than wealth |
| Ndụkaụba | Life is more precious than riches |
| Nkasiobi | Comfort |
| Nwakaego | Child is greater than money |
| Nwataomeole | What did the child do? |
| Nyesọm | Give only me |

| | |
|---|---|
| Obidike | The heart/mind is strong or mighty |
| Obidime | The heart / mind is pregnant or ulterior |
| Obidịmma | Good heart or kind heart |
| Obidiomimi | The heart/ mind is mysterious |
| Obike | Courage |
| Odomegbulam | Let the favour I did to people not kill me |
| Okwukwe | Faith |
| Okwukwemdị | My faith stands |
| Olileanya | Hope |
| Omeudo | Peace maker |
| Onyegbula | Nobody should kill me |

| | |
|---|---|
| Onyekaozuru | Who has it all |
| Ọchọudo | Peace seeker |
| Ọfọegbulam | Let my belief not kill me |
| Ọgadịmma | It shall be well |
| Ọgọegbulam | Let my favour not kill me |
| Ọlụa | Fighter |
| Ọnọniwu | It is in the law |
| Ọnụkwube | Let the mouth continue to talk |
| Ọtaegbula | Do not blame me much |
| Udo | Peace |

| | |
|---|---|
| Udoamaka | Peace is very desirable |
| Udodịrịm | Peace be unto me |
| Udokamma | Peace is better or peace is preferable |
| Ùgwùmba | Respect/Dignity of a kindred |
| Ùgwùnna | Father's respect or honour or dignity |
| Ùgwùnwanyị | Woman's respect or honour or dignity |
| Ụgwọ | Debt undermines friendship |
| Ụwaezuoke | No one has it all |

**4.2 Ebe NgụmaahaNdị a Hiwere Isi**

Ndịnchọchahaziringụmahandị a n'okpuruụdịrịnsiniwudịicheiche e nwere:

| NSINIWU NKWE | NSINIWU NJỤ | NSINIWU MMỤỌ | NSINIWU ỌCHỊCHỌ MMADỤ |
|---|---|---|---|
| Agwabụmma | Asịfọrọ | Akụọma | Anyaegbu |
| Eziaha | Egbuta | Ekpereamakarịsịa | Arụgbulam |
| Ezindụ | Ekwutọsị | Nchedo | Egbuchulam |
| Eziokwu | Iheọnụnaekwu | Okwukwe | Isiguzo |
| Iwu | Ndụagụibe | Okwukwemdị | Ndụdịrịm |
| Iwuala | Nyesọm | Olileanya | Ndụfọrọm |
| Iwuọzọ | Ọlụa | Omeudo | Odomegbulam |
| Merengwa | Ọnụkwube | Onyekaozuru | Onyegbula |
| Mmadụkaakụ | Ụgwọ | Ọchọudo | Ọfọegbulam |
| Ndidi | | Udo | Ọtaegbula |
| Ndụbụisi | | Udoamaka | |
| Ndụkaakụ | | Udodịrịm | |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Ndụkaụba | | Ụwaezuoke | |
| Nkasiobi | | | |
| Obidịmma | | | |
| Obike | | | |
| Obiọma | | | |
| Ọfọegbulam | | | |
| Ọnọniwu | | | |
| Udokamma | | | |

## 5.0 Nchịkọtanchọcha

E nwere ọtụtụ ihe ndị nchọcha chọpụtara site na nchọcha a e mere. Nke mbụ, a chọpụtara na aha bụ otu n'ime ụzọ ndị Igbo ji egosipụta ọnọdụ dị iche iche gbara ha gburugburu. Nke a pụtara na aha mmadụ na-akọwa ọtụtụ ihe banyere onye ahụ. Ọzọkwa, a chọpụtakwara na aha mmadụ na-akọwa nkwenye, okpukperechi ya, ihe nketa ezinụlọ ya, mmekọrịta ya na mmadụ ibe ya nakwa akparamagwa onye ahụ. Nke ka nke, achọpụtara na ọtụtụ aha Igbo na-akụzi nsiniwu na mbamuru. A chọpụtakwara na aha Igbo ọ bụla nwere mpụtara. Nkeikpeazụ, a chọpụtara na aha Igbo ọ bụla nwere ebe o hiwere isi dị ka o metụtara nsiniwu na mbamuru dị iche iche tinyekwara na aha Igbo nwere ndị dị mma na ndị dị njọ

## 5.1 Ntụnye aro

Onye ọ bụla kwesịrị ime ka mmadụ ọ bụla nọ gburugburu ya mara na e nwere akparamagwa, nkwenye, ogo ma ọ bụ ihe

ndị obodo na-agbarụ ihu megide, ya bụ ihe ndị a kpọrọ asị. N'ihi nke a, e kwesịrị ime ka ndị mmadụ mara nsiniwu na mbamuru ndị ahụ dị ka ọ dị n'omenala Igbo na ngụmaha.

## 5.2 Mmechi

Nchọcha a lebara anya ka ndị Igbo si esi n'omenala ngụmaha akụzi nsiniwu na mbamuru. Ndị nchọcha malitere site n'inye ntọala nchọcha a, ebe ha lebara anya n'ihe banyere omenala, ngụmaha, nsiniwu na mbamuru. E lebara anya na nsogbu nchọcha, ebumnuche nchọcha na uru nchọcha a. E jiri ajụjụ abụọ mee ihe nsekesi nchọcha a, ebe usoro agbasoro mee nchọcha a bụ nke nkọwasị na nkọwami. E jiri atụtụ ndịnọrụ rụọ ọrụ ebe achọpụtasịrị aha ndị na-akụzi nsiniwu na mbamuru ma dewe ha n'okpuru ụdịrị nsiniwu dị iche iche. A chịkọtara nchọcha a site n'ịtụpụta aro, nchịkọta na mmechi.

## Edensibịa


Akaeze, C. M., Aboh, S. C & Ugwuoke, P. E. (2021). *Ntọala Ọdịnịịgha Igbo Ọlọrọ Ọhụrụ.*Obosi: Pacific Publishers.

Anyachebelu, A. L. (2015). *Patterns of Igbo Spousal Names in Ihafa: A Journal of African Studies, Vol. 7. 1, pp 214 – 227.*

Crystal, D.(1987). *The Cambridge Encyclopedia of English Language.* New York: Cambridge University Press.

Durkheim, E. (1895). *The Rules of Sociological Method.* Paris: Alcan Press.

Emenanjọ, E. N. (1977) (ed). *Ọmalinze: A Book of Igbo Folktales*. Ibadan: Oxford University Press.

Evans, T. (2018). *Values and Norms*. Retrieved from https://pediaa.com/values-and-norms on 20/07/2023.

Eyo, I. E. (1995). *Social Issues in Nigeria: A Psychological Analysis.* Enugu: Auto-Century Publishing.

Ezeuko, R. O. (2986). *Ewumewu Omenala Ofufe na Nkwenye ndị Igbo.* Onitsha: Etukokwu Publishers.

Finnegan, R. H. (1976). *Oral Literature in Africa.* London: The Clarendon Press.

Iwundu, M. (2000). *Procreation and the Igbo Thought through Names. Igede Igbo Vol. 1 (1), pp 23 – 44.*

Mbah, B. M., Mbah, E. E., Ikeokwu, S. E., Okeke, C. O., Nweze, I. M., Ugwuọna, C. N., Akaeze, M. C., Ọnụ, J. O., Eze, A. E., Prezi, G. O na Odii, B. C. (2013). *Igbo Adị.* Enugu: University of Nigeria Press.

Merton, R. K. (1968). *Social Theory and Functional Analysis.* New York: Macmillan Publishers.

Mkpa, M. A. (1993). *Social Studies in Nigerian Values.* Nigerian Journal of Social Studies 2 (2) 21 - 28.

Retrieved from https://journals.sagepup.com

Nwagbara, A. U. (2009). *Enactment of Being: The Humanism of Personal Names, in A. E. Eruvbetine and Udu Yakubu (eds.) Re-Visioning Humanistic Studies (pp. 165 -177*). Lagos: African Cultural Institute.

Parsons, T. (1975). *The Present Status of Structural-Functional Theory in Sociology in Lewis A. Closer, Ed., The Idea of Social Structure: Papers in Honour of Robert K. Merton.* New York: Harcourt Brace Jovanovich, pp 67 - 83.

Ọgbalụ, F. C. (2006). *Omenala Igbo.* Ọnịcha: University Publishing.

Ụbahakwe, E. (1981). *Igbo Names: Their Structure and Their Meanings*. Ibadan: Daystar Press.

Ukegbu, M. N., Meziobi, K., Abdullahi, F. L., Adebayo, S. A., Udechukwu, M. A naAnyaọha, C. N. (2010). *Basic Civic Education for Senior Secondary Schools.* Abuja: Meybiks Nig. Publishers.

Ukegbu, M. N., Udechukwu, M. A., Ozurumba, G., Nwaeri, P naAnyaọha, C. N. (2012). *J. S. C. E Revision on Civic Education J. S. 1 - 3.* Abuja: Meybiks Nig. Publishers.